SUBJECT: IGBO LANGUAGE
TERM: THIRD
CLASS: SS 2

JENDA

Jenda putara “otu” maobu “udi” nke sitere n’aka ndi “Greek” na “Latin” were puta. Jenda bu kategori utoasusu nke na-egosi ma ihe o bu oke ka o bu nwunye. O bukwuazi mkpuruokwu nke eji amata na ihe bu oke maobu nwunye. O na-aputakari ihe n’ebe ‘Aha’(Noun) di. Aha ihe obula ga-enwe oke ma nwekwaa nwunye, O kachasi ihe ndi na- eku ume.

Nkenuudi Jenda (Types of Gender)

1. Jenda Oke (Masculine gender)
2. Jenda nwunye (Feminine gender)
3. Jenda izugbe (Common gender)
4. Nuta jenda (Neuter gender)

1. Jenda Oke:
   Nke a na-eziputa/na-akowa na onye a na-ekwu maobu ihe a na-ekwu maka ya bu “nwoke”. Imaatu : Di, Okpara, Nna, Amaobi, Obiora, Maazi, Ebule, Umunna, Ozo, Mkpi, Papa, Deede wdgz.

2. Jenda nwunye:
   O na-akowa na onye maobu ihe akporo aha bu “nwanyi”. Imaatu: Adaeze, Nnenne, Mgbeke, Nnemochie, Loolo, Agboghobia, Ugomma, Nne, Inyom, Iyom, Nnekwu Okuko, Anim wdgz.

   Na asusu Igbo, okwu ufodu na-egosi kpomkwem na ihe bu oke maobu n’ihe bu nwunye. Ha bu ndia:

OKE	**NWUNYE**
Nna	Nne
Di	Nwunye
Nwoke	Nwaanyi
Okorobia	Agboghobia
Mbe	Anim
Egbene/Okeokpa	Nnekwu
Maazi	Oriaku

Ebule	Aturu
Okotikpo	Ipo/atiti
Ozo	Loolo
Nze	Iyom
Nnamochie	Nnemochie
Ikom	Inyom
Papa	Mama
Deede	Daada
Nnenne	Nnanna
Obiora	Adaora
Nweke	Mgbeke
Okoye	Mgboye

3. Jenda Izugbe:
   Udi jenda a bu nke a maghi onye nwe ya. Mgbe obula I choro ka a mara onye new ya, a ga-agbakwunyere ya “nwoke” maobu “nwanyi”. O nweghi ihe doro anya e jiri mara ya. O na-akowa na a maghi maobu nwoke maobu nwanyi.
   Imaatu:

Jenda Izugbe	Oke	Nwunye
Agadi	Agadi nwoke	Agadi nwaanyi
Ogo m	Ogo m nwoke	Ogo m nwaanyi
Ajo	Ajo nwoke	Ajo nwaanyi
Dibia	Dibia nwoke	Dibia nwaanyi
Ajadu	Ajadu nwoke	Ajadu nwaanyi
Enyi m	Enyi m nwoke	Enyi m nwaanyi
Nwataakwukwo	Nwataakwukwo nwoke	Nwataakwukwo nwanyi
Umu	Umunwoke	Umunwanyi
Ezigbo	Ezigbo nwoke	Ezigbonwaanyi
Onyenkuzi	Onyenkuzi nwoke	Onyenkuzi nwaanyi
Umuaka	Umuaka nwoke	Umuaka nwaanyi
Nwannem	Nwannem nwoke	Nwannem nwaanyi
Eze	Ezenwoke	Ezenwaanyi
Onyeara	Onyeara nwoke	Onyeara nwaanyi
Nwa m	Nwa m nwoke	Nwa m nwaanyi
Ewu	Oke ewu/mkpi	Nne ewu

4. Nuta jenda (Neuter gender):
   Nuta jenda bu jenda na-akowa na ihe ahu abughi nwoke nke o ji abu nwaanyi. O na-adabakari n'ihe enweghi ndu, ihe anaghi eku ume maobu ihe nkiti.
   Imaatu:
   a. Okwute
   b. Igbe
   c. Igwe
   d. Ala
   e. Ulo
   f. Uwe

   Mgbe ufodu, a na-eji ya atule "umuanumanu" dika ndi bekee nwere ya (it).